# Ntọsasị Ndehìè Na-Adị n'Edemede Ụmụ Akwụkwọ Sekọndịrị nke Nta (JSS) n'Ebonyi Steeti. University, Abakaliki

**Nwakaego Nwigwe**
nwakaegonwigwe@gmail.com
**Department of Arts and Social Science, Education. Ebonyi State**

**Ụmị Edemede**
E mere nchọcha a iji wee chọpụta ụdịrị ndehìè nke ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịri nke nta (JSS) na-edehie n'edemede Igbo. Nchọcha a gbasoro usoro sọve nke nkọwasị (descriptivesurveyresearchdesign) Ọnụọgụgụụmụ akwụkwọ ndị e jiri mee nchọcha a dị puku atọ (3,000). Site n'ijinsere, e nwetara ọnụọgụgụ ụmụ akwụkwọ dị naarị atọ (300) bụ ndị e jiri mee nchọcha a (ndị a nwalere edemede ha) iji chọpụta ụdịrị ndehìè ha na-ede n'asụsụ Igbo. Ngwa ọrụ e jiri mee nchọcha a bụ edemede ogologo (ule) nke e lere ụmụ akwụkwọ sekọndịri nke nta II (JssII). Ka e lechara ule edemede ahụ, a tọsasịrị ihe ụmụ akwụkwọ dere wee nweta ihe a chọrọ. A chọpụtara ụdịrị ndehìè dị iche iche nke ụmụ akwụkwọ na-edehie oge ha na-ede edemede Igbo. Site n'ihe a chọpụtara ome nchọcha nyere ntụziaka etu a ga-esi kwụsị nsogbụ ndehìè nke ụmụ akwụkwọ na-ede, nke ga-eme ka nkuzi na omụmụ asụsụ Igbo bụrụ ihe na-aga were were.

## Mkpọlite

### Akụkọ ntọàlà banyere nchọcha

Ọ bụ ihe doro ewu na ọkụkọ anya naasụsụIgbobụ ihe ọmụmụdị nnukwu mkpa na kụrikụlụm ụlọ akwụkwọ. Ọbụ otu n'ime ihe ọmụmụ nke a na-akụzi n'ụlọakwụkwọ nke praimari, sekọndịri nakwa mahadum. Ọbụkwa asụsụ epum ndị Igbo n'obodo anyị a bụNaijiria. Asụsụ Igbo bụkwa otu ụzọ nke ndị Igbo ji egosipụta omenala Igbo. Ọ bụ ihe dị oke mkpa ka agụmakwụkwọ nwata ọbụla malite n'asụsụ epum ya n'ihi na ọbụasụsụàhụ na-ezipụta omenala ya (FRN, 2004). Sekọndịri nke nta (JSS) bụagụmakwụkwọ nke nwata na-abanye oge ọgụcharan'ụlọakwụkwọ nke praimari tụpụọ banye na sekọndịri nke ukwu (SSS).

Ebumnuche na ntụanya nke sekondịri nta (JSS) bụ ime ka nwata nweta amamihe n'ụzọdị iche iche, nakwa ịmataasụsụ na omenala ya. Asụsụbụ otu akọrọngwādị oke mkpa na nkụzi na mmụta. Nwata agaghịamụta ihe a na-akuziri ya nke ọmà ma ọ bụrụ na ọnaghịaghọtaasụsụ eji akụziri ya ihe nke ọmà. Asụsụ Igbo bara oke uru n'iwulite amamihe nwata ahụ. Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata na ọ bụrụ na nwata e nweike ịgụ ihe ọgụgụn'asụsụ epum ya, nwata ahụ ga-enwe ike iche echiche nke ọmàkarịa. Yule (1985) kwụpụtàrà na otu n'ime ọrụasụsụ na-arụbụ iji ya kpàrịtaụkà. Ikparịta ụkà na-egosi etu mmadụ na ibe ya si adị na mma ma ọbụadịghị na mma. Otu na-ahụmaka iwuliteasụsụ na omenala Igbo (SPILC) nke aha ọhụrụ ya bụzi (ISA) IgboStudịesAssociation (Oraka, 1983). Ọ bụ otu a na-ahụ maka nhazi na ọganihuasụsụ Igbo. Ọ bụ ihe mwute na asụsụ Igbo bụ ihe a na-eleda anya nke ukwu. N'ụlọakwụkwọdị iche iche, a naghị enye asụsụ Igbo oge ga-ezu n'ịkụzi ya, mana a na-enye asụsụ bekee oge ga-ezu n'ịkụzi ya. Nke a mere eji were asụsụ bekee dịka ihe eji atụ maka ogo amamihe mmadụ nwere. Ọ bụrụ na mmadụ anaghi eme nke ọman'asụsụ bekee, a ga-asị na onye ahụamaghịakwụkwọ, mana o bụrụ na onye ahụ na-asụasụsụ bekee nke ọmà, ha asị na onye ahụ magbụrụ onwe ya n'akwụkwọ.

Onye isi ndị na-anwàleụmụakwụkwọ n'ule WAEC (2002) egosịla na "ọtụtụụmụ akwụkwọenweghị ike ide Igbo izugbe nke ọma. Ha na-ede olundị ha nke na-enye ndị na-anwale ha n'ule nsogbụ n'Ịghọta. Ebe ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-ede asụsụ bekee (English) kama ha ga-ede asụsụ Igbo. Ebe ndịọzọ na-agwakọtaasụsụ bekee (English) na asụsụ Igbo ọnụ. Ihe ndị a gosịrị na ọtụtụụmụ akwụkwọamatabeghị etu e si ede Igbo izugbe. N'afọ (2009) onye isi ndị na-anwale ule WAEC kọwakwara na isupe (spelling) okwu n'ụzọn'ezighị ezi bụ nsogbụọzọ ụmụaka na-enwe n'edemede ha. Ọzọbụ na ha na-ede ọtọgrafịochie (unionIgbo). Ọtọgrafị nke ahụ e ji dee Baibụlụ. Ha adịghị etinye ntụpọ n'ebe o kwesịrị n'okwu Igbo. Dịka Ụdaume Igbo ụfọdụ Kwesiri inwe ntụpọ mana ụmụakwụkwọ anaghi

etinye ntụpọndịa. Nsogbụ niile ndịa ụmụaka na-enwegasi n'odịde Igbo mere ka ome nchọcha a tinye anya na ndehìè na-apụta ihe n'edemede Igbo nke ụmụakwụkwọndị sekondịri nke nta (JSS). A ga-elebakwa anya n'ụdịrịndehìèdị iche iche.

**Nkọwa isi nchọcha**

Nsogbụụmụakwụkwọ na-enwe n'edemede Igbo nke na-ebụte emeghị nke ọma n'ule WAEC/NECO bụ ihe na-agba ndị na-anwale ụmụakwụkwọ anya mmiri. Ụmụakwụkwọ na-eji olundị ha oge ha na-ede edemede. Nke a na-enye ndị na-anwale ha n'ule nnukwu nsogbụ n'ihi na ha anaghịaghọtaolundị ha. Ya mere na ebumnuche nchọcha bụichọpụtaụdịrịndehìè nke ụmụakwụkwọ na-edehie n'edemede Igbo nakwa etu a ga-esi gbochie nsogbụahụ. Nke a ga-eme ka odide asụsụ Igbo bụrụ Igba, gawazie n'ihun 'egweghị nsogbụọbụla.

**Ebumnuchenchọcha**

Ihe bụebumnuche nchọcha a bụ ime ihe ndị a:

1. Ịchọpụtaụdịrịndehìè dị iche iche nke na-agba elu n'edemede ụmụakwụkwọndị sekondịri nke nta (Jss).
2. Ịchọpụtaụzọ a ga-esi gbochie nsogbụndehìè a nke ụmụ akwụkwọ na-ede n'edemede Igbo.

**Mkpa nchọcha a ndị**

Nchọcha a dị nnukwu mkpa n'ihi na onye nkuzi Igbo ọbụla na-achọ etu ọ ga-esi kwụsịndehìè nke ụmụakwụkwọ ya na-edehie n'edemede Igbo ha. Ọbụkwa mmasị onyenkụzi ọbụlaịchọụzọ inyere ụmụakwụkwọ ya aka ka ha na-ede edemede Igbo nke ọma, na-asụkwaasụsụ Igbo nke ọma. Nchọcha a ga-enyekwara ndị na-ahazi maka agụmakwụkwọ aka ịchọpụta nsogbụụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ asụsụ Igbo nakwa n'odịde asụsụ Igbo kpọmkwem. Nchọcha a ga-enyekwa aka chọpụta ngalaba nke na-enye ụmụakwụkwọ nsogbụn'omụmụasụsụ Igbo. Ihe niile a chọpụtara na nchọcha a na ntụtaarọ niile a ga-enye na nchọcha ga-agbazirịndị nkuzi ụzọịhụ nsogbụụmụakwụkwọ na-enwe n'omụmụasụsụ Igbo. Nke ahụ ga-eme ka ndị nkuzi tụgharia aka nkụzi ha n'ụzọdị mma. Nchọcha a dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ ga-enyere ndị o dee akwụkwọ aka ịchọpụta ihe na-enye ụmụakwụkwọnsogbụn'omụmụ na odịdeasụsụIgbo.Enweghịike isupe okwu Igbo nke ọmabụ ihe nchọcha ga-elebe anya. nke ga-eme ka e nwe ike idepụtaakwụkwọ Igbo nke ga-ahazi, kụzie nke ọma maka nsupe (spelling) okwu Igbo. Nke ahụ ga-enye aka kwụsị nsogbụ a ụmụakwụkwọ na-enwe maka isupe okwu Igboụfọdụ. Nchọpụta a ga-enweta site na nchọcha ga-eme kandị nkụzi asụsụ na omenala Igbo tụgharia aka nkuzi ha nakwa ịhazi ihe ha ga-akụziriụmụaka, nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọbụrụakwaaakwụrụ n'ihe gbasara ọmụmụasụsụ Igbo. Ndehìèasụsụ Igbo ga-ebelata ma ọbụkwanụkwụsị kpamkpam.

**Ajụjụ nchọcha**

N'ime nchọcha a, enwegasịrịụfọdụajụjụ nke nchọcha ga-agbalị nye osisa na ngwụcha edemede a.

Ajụjụ ahụ bụ ndịa;

1. Kedu ụdịrịndehìè na-agba elu n'edemede ụmụakwụkwọndị sekondịri nke nta (JSS)?
2. Kedu ụzọ a ga-esi gbochie nsogbụndehìè a nke ụmụakwụkwọ na-ede n'edemede Igbo ha?

**Nlebami anya n'ihe ndị ode kwurula banyere ndehìè edemede**

Ndị Igbo na-atụ ilu sị na isi abụọ ka otu isi mara ihe, ha na-ekwukwa sị na anaghi anọ otu ebe na-ekiri mmanwụ. Ọbụ nke a mere na ọdị oke mkpaịmata ihe ndịọkàmmụta kwuru na okwu a bụndehìè n'edemede ụmụakwụkwọ na-edegasị.

**Ndehìè: mpụtara ya**

Ndehìèbụmkpọaha nke nwere mpụtaradị iche iche na ngalaba ọmụmụdị iche iche. Taylor (1983) nyere ọtụtụnkọwa banyere ihe ndehìèpụtara na ngalaba ọmụmụ ihe dị iche iche;

a. Ọ sịrị na ọpụtaraihe ọbụla e mere n'ụzọezighi ezi.

b. Ọnọdụ nke Ịghọta ihe n'ụzọezighị ezi.
ch. Ime ihe n'ụzọabụghị nke a kwadoro
d. Nghọtahie nke sitere n 'enweghi ezigbo nkọwabanyere ihe ahụ.
e. Ịdapụn'ụzọ omenala kwadoro
N'ọmụmụasụsụ, ndehìèpụtaraagbasoghịụzọ esi asụ ma ọbụ ede asụsụahụ

**Ụdịrị ndehìè dị iche iche**

Nwadịke (2006) kwuru na e nwere ike ikewandehìèụzọabụọn'ọmụmụasụsụ. Ha bụ ndị nke mekanikal na stylistics. Ya bụndehìè nke sitere na etu esi ede Igbo nakwa ndehìè nke sitere na aka nka ode n'edemede ya.

Ndehìè nke mekanikalbụndehìèahụ nke sitere n 'enweghi ike ịgbaso usoro esi ede ihe n'asụsụahụ. Ụfọdụọmụmatụndehìè nke mekanikalbụNdịa;

a. Amaghị itinye ntụpọn'ụzọ o kwesiri (.)
b. Amaghị etinye nnọchiaha n'ụzọ ziri ezi.(o, ọ,i, ị,a,e)
ch. Amaghị etinye akara uhie (-) n'ụzọ o kwesiri

Ndehìè nke aka nka (stylistic error) bụ Ndịa:

a. Amaghị etinye mbụụzọ n'ụzọ kwesiri ekwesi.
b. Amaghị etinye nkeji edemede n'ụzọdị mma (wrong paragraphing).
ch. Amaghị etinye ụdà olu n'ụzọ kwesiri ekwesi
d. Amaghị etinye akpaalaokwun'ụzọdị mma (wronguseofidịoms).

Ndehìè ndị a bụ nke e nwere ike ikpochapụ ma ọ bụrụ na akụziriụmụaka n'ụzọ dị mma etu ha ga-esi na-etinye ihe ndịa n'ụzọ dị mma.

**Ihe na-ebụte ndehìè n'edemede**

Ihe ndịa edepụtara n'ebe a bụcha ihe na-ebụte ndehìè n'edemede ụmụakwụkwọ:

**a.** Enweghi ezigbo ebe e wepụtara dị mma, dị juu, nwere ọkụ ma ọbụ ohere dị mma, nke enweghi ihe ga na-eme mkpọtụdịkaekwentị ma ọbụ igwe okwu (redịo na TIV). Ide edemede na-ara ahụ nke ukwuu ma ọ bụrụ na agwadobeghị nke ọma iji hu na ihe ọghọmNdịaadapụtaghị.

**b.** Ụmụakwụkwọ kwesịrị inyere onwe ha oge nke ha ga-eji ede edemede ahụ, ha ga-ahụ na ha gbalịrị ime nkwadobe n'oge maka edemede ha, nke ga-eme ka ha dechaa ya n'oge a tụrụ anya na onye ọbụla ga-edechaa edemede ahụ.

ch. Ihe ọzọ na-ebụte ndehìèbụna ụmụakwụkwọ anaghị eme nchọcha banyere isiokwu ahụ a siri ha dee edemede gbasara ya. Ihe na-ebụtekari nke a bụ na onye na-ede edemede ahụ na-adị eche naya mazụrụ ihe niile banyere isiokwu ahụ. Onye ọbụla nke chọrọ ide edemede nkeọma kwesịrị ime nchọcha banyere isiokwu ahụ.

**d.** Onye na-ede edemede kwesịrị inabata ntụcha nke ndịọkàmmụta megoro banyere edemede ndịọzọ derela. Ndịọkàmmụta bụ ndị ga-eme ka onye na-ede edemede mụrụ ihe, nweta akọnuchè banyere edemede ya.

**e.** Enweghi ezi nkwado bụ ihe na-ebụte ide edemede jọrọnjọ. Ọ bụ naanị ndọgbụonwe ma ọbụrụ na mmadụ na-ede edemede mana onweghi ebe mgbado anya nke ga-enyere ya aka ide edemede dị mma.

f. Ọbụ mkpọlite edemede bụ ihe ga-eme ka a mara etu edemede ahụ ga-esi dị. Ọ bụrụ na mkpọlite edemede gị jọrọnjọ nke a ga-eme ka e nwee ọgbàtaùhìè n'edemede ahụ.

**g.** Ihe na-ebụte ndehìè n'edemede bụ ime gbanụgbanụ imechi ya, ma chefuo na I ga na-akpọtụkwa ọnụ n'isiokwu edemede ahụ. Nke a ga-eme ka edemede ahụdị n'usoro dịka o kwesiri.

Omojuwa (2006) kọwara ndehìè n'ụzọ atọ gbara elu, ha bụndịa;

i. Ndehìè nke onye dehiere ya nwere ike chọpụta n'onwe ya, ma dezie ya n'ụzọdị mma.
ii. Ndehìè nke nwatakwụkwọ enweghi ike ịchọpụta n'onwe ya, kama onye ọzọ nwere ike ịchọpụta ndehìè ahụ ma nyekwara ya aka dezie ya nke ọma.

iii. Ndehìè nke nwatakwụkwọ enweghi ike ịchọpụta ma dezia n'onwe ya ma ọbụghị na onyeọzọ nyere ya aka chọpụta ya.

Ndehìè na-egosị na nwatakwụkwọ ahụ abụbeghị ọkaibe n'ihe gbasara asụsụ ahụ ọ na-ede edemede maka ya. Nke a mere o ji dị mkpa na a ga-atọsasị ụfọdụ ndehìè nke ụmụ akwụkwọ na-edehie oge ha na-ede edemede n'Igbo. Ntọsasị ndehìè bụ omụmụ na nnwàle ihe dịn'asụsụ ahụ nke ga-eme ka anyị ghọta ya nke ọma.

Ntọsasị ndehìè dị mkpa nye onye nkụzi nakwa ụmụakwụkwọ. Onye na-atọsasị ndehìè ụmụakwụkwọ na-atọsasị etu nwatakwụkwọ sị gbalị n'edemede ya iji chọpụta ihe ndị adịghị n'ụzọ o kwesịrị nke ga-enyere onyenkụzi aka ịmata ebe ọ ga-agbado ụkwụ na nkụzi ya.

Corder (2000) kọwara ndehie dịka ihe ndị ahụ adịghị n'usoro o kwesiri ịdị n'asụsụ ahụ. Ndehìè na-egosi onyenkụzi usoro etu mmadụ si amụta asụsụ, na nka o ji amụta asụsụ ahụ.

**Mkpa ọdị ịtọsasị ndehìèndịa:**

Ime nnwàle bụ ihe dị nnukwu mkpa n'usoro agụm akwụkwọ. Ntọsasị ndehìè nwatakwụkwọ na-eme ka a chọpụta ebe nwata ahụ rịrị mperi n'asụsụ ahụ. Ọ na-emekwa ka a mara etu a ga-esi nyere nwata ahụ aka n'ọmụmụ asụsụ ahụ.

Corder (2000) sịrị na ndehìè nwatakwụkwọ dị mkpa n'ụzọ atọndị a:

i. Ọ dị mkpa nye onyenkụzi, n'ihi na ọ ga-agwa ya etu nwatakwụkwọ si amụta ihe nakwa ihe ndị fọdụrụ ka ọ mụtazụọ.

ii. Ọdị mkpa nye ome nchọcha, n'ihi na ọ na-egosi ya usoro e sị amụta asụsụ, nakwa ụdịrị nka nke nwatakwụkwọ na-agbaso n' ịchọpụta ihe gbasara asụsụ ahụ.

iii. Ndehìèdị mkpa n'ihi na ọ bụ ya na-egosi usoro nwatakwụkwọ si amụta ihe.

iv. Ndehìè dị mkpa n'ihi na ọbụ ụzọ anyị si enweta nzighàchi, nke onyenkụzi ga-agbado ukwu na nkuzi ya n'ụbọchị ọzọ.

Ịmata nsogbu nke nwatakwụkwọ na-enwe ga-enyere onyenkụzi aka ileba anya na nsogbụ ahụ iji hụ na ha enweghi ụdịrị nsogbụ ahụ n'edemede ha. Ntọsasị ndehìè bụ ụzọ ziri ezi nke e sị enweta ozi/amamihe. Ọ na-egosi ihe niile banyere nwatakwụkwọ ahụ na usoro o sị na-amụta asụsụ ahụ. Ntọsasị ndehìè bụ ụzọ e si anwale nwatakwụkwọ n'oge ị na-akụzi ihe nakwa oge ị kụzichara ihe iji mata etu ha si agbalị na agụmakwụkwọ ha.

**Usoro a gbasoro mee nchọcha a:**

Nchọcha a gbasoro usoro sọve nke nkọwasị (descriptive survey research design) nke ebumnuche ya bụịchọpụta ma tọsasia ụdịrị ndehìè nke ụmụakwụkwọ ndị sekọndịri nke nta (JSS) na-edehie n'edemede Igbo ha. Ọ bụn'Ebonyi Steeti ka e mere nchọcha a. Ebonyi Steeti nwere ogbe Ọchịchị nke ime obodo iri na atọ (13 L.G.A's). Ebonyi Steeti nwere ụlọakwụkwọ sekondịri nke nta dị ọnụọgụgụ naarị abụọ na iri na isii. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime ihe ọmụmụ nke a na-akụzi n'ụlọakwụkwọ ndị sekọndịri nke nta. Ebonyi Steeti nwere ọtụtụ olundị nke ndị mmadụ na-asụ. Ụfọdụ olundị a bụ nke ndị mmadụ anaghi aghọta n'ihi na ọdị ka ọ bụghị asụsụ Igbo. Nke ahụbụ otu ihe na-enye aka ime ka ụmụakwụkwọ na-edehie n'edemede Igbo.

Ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ ndị sekondịri nke nta n'Ebonyi Steetindị e jiri mee nchọcha ruru puku atọ (3,000) Site n'usoro iji nsere ka e ji nweta ụmụakwụkwọdị naarị atọ (300) ndị e jiri mee nchọcha a.

Ngwa ọrụchọcha a bụ ule edemede nke enyere ụmụakwụkwọ ndị sekọndịrị nke nta II (JSS II). Ome nchọcha a jiri aka ya kesaara ụmụakwụkwọ akwụkwọ ule ahụ site n'enyemaka onyenkụzi Igbo ha. Onyenkụzi depụtara isiokwu edemede ahụ n' ụgbọ ojii bụkwa nke ụmụakwụkwọ deturu n'ime akwụkwọ ha. Isiokwu edemede ahụbụ "Ụlọakwụkwọ M'. ebe e si nweta isiokwu a bụ site n'ule nke Junio sekọndịrịn'afọ 2000. A tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-eji nkeji iri anọ dechaa edemede ahụ. Ọbụndị nkuzi ha bụndị na-elekọta ha oge ha na-ede edemede ahụ, nke a bụ iji meeka ha ghara ịtụ egwu ọbụla. Edemede ahụ ga-adị mkpụrụokwu otu naarị na iri ise n 'ogologo (150 word). O nweghị oge e nyere ka ụmụakwụkwọ jiri kwụsị kama a hapụrụ ha ka ha dee etu ọ masịrị ha iji hụ na ụmụakwụkwọ gbalịrị ike ha.

Ome nchọcha bụgodụurụ ụzọ zụpụta ndị ga-enyere ya aka inwale ma nye maakị n'ihe ha dere. Ihe a gbadoro anya n'ihọrọ ndị ahụ bụ site na etu ha si tozụọ oke n'asụsụ Igbo, nke bụ na ha ga-enwe opekata mpe asambodo nke mahadum n'asụsụ Igbo. Iji hụ na ha na-enye maaki etu o kwesịrị, e bụrụụzọ nye ha ọzụzụ n'usoro enyemaakị n'edemede ahụ. Ọ bụ ndịahụ nyere aka ịnakọta, ịnwale edemede ụmụakwụkwọ nakwa inye ha maakị etu o kwesịrị. Mgbe ụmụakwụkwọ dechara edemede ahụ, a nọkatara akwụkwọ ha wee nye ha maakị dịka usoro enyemaakị si wee kwadoo. A chọpụtara ihe bụ nsogbụ/ndehìè nke ụmụakwụkwọ na-enweta n'edemede ha, bụkwa ndị e jiri percenti (%) wee tọsasịa.

**Ntọsasi ihe a chọpụtara**

**Ajụjụ nchọcha I**

Kedu ụdịrịndehìè na-agba elu n'edemede ụmụakwụkwọndị sekondịri nke nta (JSS)?. Ihe akpakọtara nke zara ajụjụ nchọcha a bụ nke e tinyere na tebụlu nke mbụ.

Tebụlu 1

Pecenti (%) Azịza maka ụdịrị ndehìè ha na-ede.

| **S/N** | **Ndehìè Nke metụtara mekanikal(ndezima) (150)** | **Freq.** | **%** |
|---|---|---|---|
| 1 | Amaghị etinye ntụpọnkeọma (dịacritic) | 35 | 23% |
| 2 | Amaghị etinye nnọchiaha nkeọma (A, O, Ọ, I Ị,E) | 30 | 20% |
| 3 | Amaghị etinye akara uhie (-) nkeọma | 22 | 15% |
| 4 | Amaghị etinye rịkọm elu (') nkeọma | 21 | 14% |
| 5 | Nsogbụ site n'olundị nke ụmụakwụkwọ | 20 | 13% |
| 6 | Amaghị etinye mgbochiume na ụdà imi | 12 | 8% |
| 7 | Amaghị etinye ụdàolu nkeọma | 10 | 7% |
| | | 150 | 100% |
| **Ndehìè nke akara edemede Igbo (50)** | | | |
| 8 | Amaghị etinye ntịmiwu nkeọma (!) | 15 | 30% |
| 9 | Amaghị etinye kpọm (.) nkeọma | 13 | 26% |
| 10 | Amaghị etinye mkpụrụ edemede ukwu (capital) | 12 | 24% |
| 11 | Amaghịetinye akara mkpụchi (otu/abụọ) (" ") | 10 | 20% |
| | | 50 | 100% |
| **Amaghị ede nkeọma (100)** | | | |
| 12 | Amaghị etinye mbụụzọ nkeọma | 25 | 25% |
| 13 | Amaghị etinye nkeji edemede nkeọma | 16 | 16% |
| 14 | Amaghị etinye ụdàolu nkeọma | 14 | 14% |
| 15 | Amaghị etinye akpaala okwu nkeọma | 10 | 10% |
| 16 | Itinye ihe n'enweghị isi na ọdụ | 9 | 9% |
| 17 | Amaghị etinye ilu nkeọma | 8 | 8% |
| 18 | Ndehìè tensi, amaghị etinye ya nkeọma | 7 | 7% |
| 19 | Amaghị etinye mkpọọlụ/ụbarā nkeọma | 6 | 6% |
| 20 | Kwụkwụkwa, ide ihe e degoroọzọ | 5 | 5% |
| | | 100 | 100% |

Tebulu a gosịrị na e nwere ụdịrị ndehìè iri abụọ (20) gbara ọkpụrụkpụ nke ụmụakwụkwọ na-ede n'edemede ha. Dịkaanyị sịrị hụ, ndehìè ndịa nwètachara percenti dị iche iche nke gosịrị etu ha sịrị gba elu n'edemede ụmụakwụkwọ.

**Ajuru nchọcha II**

Kedu etu a ga-esịkwụsị nsogbu ndehìè ndịa n'edemede ụmụakwụkwọ?

Azịza ajụjụ nchọcha nke a gbadoro ụkwụ n'ihe onyenkụzi ga-eme, usoro nkụzi edemede ka mma nke ga-eme ka ụmụakwụkwọ ghara ịdị na-edehie ndehìè n'edemede Igbo ha.

Onyenkụzi ga-etinye uchu n'ọgụgụ Igbo, nke a bụmaka na ịmụta ọgụgụ Igbo nke ọma na-enye aka ide odịde Igbo tọrọ atọ.

**Iji usoro nkụzi ọgụgụ kwalite nka odịde ụmụakwụkwọ ndị sekondịri nke nta (JSS): Ihe omume dị iche iche.**

a. Onye nkụzi ga-enye ụmụakwụkwọ aghọta azaa bụ nke ha ga-agụ nke ọma, wee chịkọta ihe ha gụrụ. Ịchịkọta ihe ha gụrụ ga-adịn'ụdị edemede kọmpozishọn.

b. Ideda noòtù (note-taking). Onyenkụzi ga-elekwa anya nke ọma iji mata etu ụmụakwụkwọ sị na-etinye ntụpọ, nnọchiaha na ihe ndịọzọ nke ha na-edehie n'edemede ha.

ch. Ide edemede yiri nke onyenkụzi nyere ha ka ha gụọ. Onyenkụzi ga-ewepụta ihe ọgụgụ sị ụmụakwụkwọ ka ha gụọ ma depụta edemede yiri nke ahụ ha gụrụ.

d. Ihe omume ndị ọzọ gụnyere isi ụmụakwụkwọ ka ha dee leta maọbụ ekwụmekwụ nkenke. Onyenkụzi ga-ahụ na ụmụakwụkwọ ya agụọla ụdịrị leta dịiche iche na ekwumekwu nkenke dị iche ichebụkwa ndị ha ga-elere anya wee depụta nke bụigba. Matakwa na tupu onyenkụzi asịụmụakwụkwọ ka ha depụta leta ma ọbụ ekwumekwu nkenke ahụ, ya na ụmụakwụkwọ ya ga-ebugodụ ụzọ kpàrịta ụkà na nke ha gụrụ. Mkparịta ụkà ahụ ga-enyere ụmụakwụkwọ aka idepụta edemede tọrọ atọ.

e. Onyenkụzi nwekwara ike nye ụmụakwụkwọ ihe omume, dịka aghọta azaa ma ọbụakụkwọ nkenke e wepụrụ ahịrịokwu nke ikpeazụ eji mechie aghọtaazaa/akụkọ nkenke ahụ. Ọ ga-asị ụmụakwụkwọ ka ha chọpụta ihe gaara abụ ahịrịokwu ikpeazụ ahụ we dechie ya n'akụkọahụ/aghọta azaa ahụ.

f. Onyenkụzi nwere ike nye ụmụakwụkwọ ilu Igbodịka "onye ndịdị na-eri azụ ukpo". Ha ga-ede akụkọ nkenke nke ga-ewepụta ihe mmụta ga-agbado ụkwụ n'ilua. Mana tupu ha amalite ide akụkọahụ, onyenkụzi ga-egosi ha akụkọ nkenke nke e si n'ilu Igbo wepụta. Ha ga-akparịtakwa ụkà na ilu ndịahụ na etu ha ga-esi hazie akụkọ ha.

g. Onyenkụzi ga-enye ụmụakwụkwọ isiokwu dị iche ichen'akwụkwọ akụkọ bụkwa nke ha ga-agụ, kpàrịta ụkà naya tụpụ ha etinye oke hana, echiche ha gbasara ihe ha gụrụ.

h. Onyenkụzi ga-enye ụmụakwụkwọ akụkọ nkenke dị iche ichedịka; Agụ na Nwa Atụrụ, Mbe na Ụmụ anụmanụ, Nwa Enwe Nne na Ụdarà ya wdgz. Onyenkụzi na ụmụakwụkwọ ga-akparịta ụkà n'akụkọ ndịa. Ha ga-akparịta maka agwa, ebe emereme na isiokwu dịn'akụkọ ahụ. Nke a ga-enyere ụmụakwụkwọ aka n'ide akụkọ nkenke nke ha.

i. Ideghari akụkọ,; onyenkụzi ga-ewepụta out akụkọ nkenke sị ụmụakwụkwọ ka ha degharịa akụkọ ahụ site n'igbanwo agwa, ebe emereme, isiokwu. Ha nwèrèike gbanwo akụkọ mgbe ochie ka ọ bụrụ akụkọ ihe na-eme oge ugbua a, ha ga-eji tensi ndị ugbua dagharịa akụkọ ahụ kama iji tensi ndịnàazụ.

j. Onyenkụzi ga-akwado ụmụakwụkwọ ka ha nweta nka ịdị na-agụgharị, na-edeghari ihe ha dere, nke ga-eme ka ha na-achọpụta ndehìè nke ha dere n'edemede ha. Ọ bụ naanị mgbe ha torụrụ n'ogo iji aka ha chọpụta ndehìè n'edemede ha ka a ga-asị ha abụrụla ọkaibe n'edemede Igbo.

N'ihe omume ndị a nke a kọwasịrị n'elu, onyenkụzi nwere nnukwu ọrụ nke bụ ịdị na-enye ụmụakwụkwọ nkwado na-agbazirị ha ụzọ etu ha ga-esi na-ahazi edemede ha nke ga-eme ka ndehìè ọbụla ghara ịgba elu na ya. Ọ ga na-arụtụrụ ha aka ụrụ ọbara itinye ntụpọ (dịacritics), kpọm (fullstop), nnọchiaha(pronoun), akara uhie (hyphen), rịkọm elu (apostrophe), ntịmiwu (exclamationmarks), mkpụrụ edemede ụkwụ (capitalization), mbụụzọ (prepositions), nkeji edemede (paragraph) ilu na akpalaokwu (proverbs and Idịoms) n'edemede ha n'ụzọ o kwesịrị. Nke bụ na edemede ha ga-erijụafọ, nwenghọta zuru oke.

**Mmechi**

A chọpụtara na ndehìè nke ụmụ akwụkwọ na-ede oge ha na-ede edemede Igbo dị ọtụtụ. A na-atụ anya na ọbụrụ na ndịnkụzi agbaso usoro nkụzi a bụnke e nyere dịkantụzi aka na nchọcha a, nsogbu ndehìè nke ụmụakwụkwọ na –ede n'edemede Igbo ga-abụ ihe ga-ala ka nai.
Ọga-akwụsị kpamkpam, ka edemede Igbo buru nke na-aga sịrịrịwerere.

**Ntụta arọ ndị Ọzọ:**

Ndịa bụ arọ a tụtara nke gbadoro ukwu n'ihe a chọpụtara na nchọcha a:

a. A ga-ewepụta oge pụrụ iche nye nkụzi edemede Igbo n'ụlọakwụkwọ.
b. Ndị nkụzi ga-agbalị iji ngwa nkụzi na akụrụ ngwa dị iche ichen'ịkụzi edemede Igbon'ụlọakwụkwọ. Ihe ndịa ga-eme ka ụmụakwụkwọ na-aghọta edemede Igbo nkeọma.
ch.Asọmpi n'edemede, semina na nkụzi achịkọbara, ejije na ajụ aza bụ ihe a ga-agbado ukwu n'ụlọakwụkwọ. Nke a ga-ewulite nkuzi naomụmụasụsụ Igbo.
c. Ndị nkuzi ga-etinye uchu n'ọgụgụ Igbo nye ụmụakwụkwọ ha. Nke a bụmaka na ịmụtaọgụgụIgbo na-enye-aka ide edemede Igbotọrọ atọ, n'ihi na ọgụgụ na-enye aka n'ịmụtaodịdeasụsụọbụla.

**Nrụ aka**


Corder, S.P. (2000). Significanceoflearner'serror: in J.C. Richard (ed). *Erroranalysis*, London, Longman.

FederalRepublicofNigeira (2004). *NationalPolicyonEducation*. Revisededịtion. Abuja NERDC press.

Nwadịke, I.U. (2006). Igbostudịessincethe 1990's. *JournalofIgbostudịes*vol. 1. 27-37.

Omojuwa, L.O. (2006). Markingandtheuseoferrorinlearner'swriting. In J.C. Richard (ed) *Erroranalysis*Page 179; London, Longman.

Oraka, L.N. (1983). *ThefoundationsofIgbostudịes*. Universitypublishingco. Onitsha.

Taylor, J. (1983). Anintroductiontoerroranalysis. Thestudyofuniversitiesinphysicalmeasurements. UniversityscienceBookPg. 40.

WAEC, (2002). Chiefexaminers' reportonIgbolanguageEssay(pg 22) Lagos.

Yule, G. (1996). *Thestudyoflanguage* (2nd Ed.) CambridgeUniversitypress, Cambridge